Iji Ngwa Nkuzi Akuzi Ihe n'Ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Nta n'Udenu, Steeti Enugu

Nke
Joy Ifeadikanwa Obayi
Humanities Unit, School of General Studies/Department of Arts Education, Faculty of Education
University of Nigeria, Nsukka
Joy.obayi@unn.edu.ng
08065132008
Na
Anastacia N. Asogwa
New Creation Secondary School, Agbani Nsukka

Umịedemede

Ngwa nkuzi bụ akụrụ ngwa dị iche e ji akụzi ihe ka nghọta wee zuo oke. Ebum n'obi nchọcha anyị a bụiji ngwa nkuzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta nke dị n'okpuru ọchịchị Udenu na steeti Enugu.Nchọcha a lebara anya na mkpa ọ dị iji ngwa nkụzi akuzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta nakwa ụdị ngwa nkụzi ndị e nwere na ndị a na-ejikarị akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ndị a.E kewara ọrụ nchọcha a n'isi ise iji mee ka ọ dị mfe ọgụgụ ma dokwaa anya. Ajụjụ nchọcha isii (6) ka e jikwa mee ya. Ndị e jiri mee nchọcha bụ ndị nkuzi dị iri anọ na ise n'ọnụọgụ n'ụlọakwụkwọ ndị e jiri mee nchọcha a. Ndị nchọcha jiri usoro nzere simpụle randọm tekniiki wee mee nchọcha a. Ndị nchọcha jiri akwụkwọ ajụjụ ederede nke e jiri mee nchọcha nke onye ntụzi aka na ndị ọka mmụta lebara anya wee kwere na ọ dị mma. Ihe ndị nchọcha a chọpụtara bụ na e nweghị ọtụtụ ngwa nkuzi maka nkuzi asụsụ Igbo. N'ihi ya ndị nchọcha tụnyere aro nke ụfọdụ n'ime ya gụnyere ka ndị gọọmenti gbaa mbọ hụ na a na-eziga ngwa nkuzi dị iche iche n'ụlọakwụkwọ maka ikwalite agụmakwụkwọ na ịkwalite ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọzọkwa, ndị isi ụlọakwụkwọ kwesịrị ịdị na-agba mbọ hụ na ha zụtara ngwa nkuzi ndị aka ha ga-eru ma zigara ndị gọọmenti ozi maka ibunye ha ngwa nkuzi ndị a chọrọ n'ụlọakwụkwọ.

Igodo okwu: Asụsụ Igbo, Ngwa nkuzi, sekọndịrị nta, Udenu

Mkpọlite

Ntọala Nchọcha

Asụsụ dịka a maara bụ ihe mmadụ na ibe ya ji akparịta ụka, ezikwa ozi, emekọrịta ihe ma na-amatakwa ihe mmadụ bu n'uche. Asụsụ bụkwa okwu ọnụ dị iche iche a na-ekwu nke e jiri mara mmadụ. Ọ bụ ya mereNgoesi (2004) ji kọwaa asụsụ dịkaiji mkpụrụokwu nwegasịrị nghọta ndị e nwere ike isụ asụ, dee ya edee maọbụ gụọ ya agụọ, o mee ka amata ebumnobi mmadụ, nghọta ya na otu amamihe ya na uche ya siri dị. N'aka nke ọzọ, Anagbogu, Mbah na Ene (2002) ji kọwaa asụsụ dịka ụzọ ndị mmadụ wepụtara iji akọwa echiche obi ha, mmetụtaobi na ihe ha chọrọ na ndụ ha site n'iji okwu ọnụ maọbụ ederede.

Ndị Igbo dịka agbụrụ kwụụrụ onwe ha nwere asụsụ nke ha bụ asụsụ Igbo. Igbo so n'asụsụ atọ (Awụsa, Igbo na Yoruba) gọọmentị ala anyị bụ Naịjirịa wepụtara ka a na-akụzịrị ụmụakwụkwọ ma na-elekwara ha ya n'ule n'ogo dị iche iche. Ụfọdụ ụlọakwụkwọ na-eji ndị nkụzi tozuru etozu nke ọma akụzi asụsụ Igbo ya bụ ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ogo dị elu malite n'ogo NCE ruo n'ogo Mastas. Oge ụfọdụ, ụlọakwụkwọ ụfọdụ anaghị eji ndị nkụzi tozuru etozu nke ọma akụzi asụsụ Igbo n'ihi na ọnaghị adịcha mfe inweta oge ọbụla.

Dịka asụsụ ndị ọzọ, ihe kacha mkpa n'ikụzi na ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ bụ ime ka ndị a na-akụziri mara ka e si asụ ya bụ asụsụ nke ọma. Otu ụzọ a ga-esi mee ka nkụzi asụsụ Igbo dị mfe n'ụlọakwụkwọ ndị a bụ site n'iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ndị a nille, nke ga-eme ka ndị a na-akụziri ya ghọta ya bụ asụsụ nke ọma. Ọ bụ nke a, kpatara na ndị nchọcha ji leba anya n'iji ngwa nkụzi akụzị asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta ọkachasị n'okpuru ọchịchị Udenu nke Steeti Enugu.

Ngwa nkụzi bụ akọrọngwa ndị ahụ dị oke mkpa n'ụlọakwụkwọ iji zie ụmụakwụkwọ ozi maọbụ kụziere ha ihe iji mee ka ịchụ nta mmụta a na-achụ dị mfe. A na-eji ngwa nkụzi akụziri otu onye maọbụ igwe mmadụ. Ọ bụ nke a mere Onyejemezie (1981) ji kọwaa ngwa nkụzi dịka ngwa kọrịkulum. N'echiche ya, nkụzi na ọmụmụ kwesiri na onye nkụzi na nwata akwụkwọ ga-eji ngwa nkụzi mụọ ihe maka ị nweta ọmụmụ ihe bụ kpoo. O kwukwara na site n'ihe ndị a ụmụaka na-enweta echiche mmiri emi nke na-eme ka ha tinyekarịa uche n'ihe ọ na-akụzi ma mụtakwa ihe akụzịrị nke ọma.

Ụfọdụ uru ngwa nkụzi bara n'ikụzi asụsụ Igbo gụnyere: ime ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe, ịkpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'ịghọta ihe a na-akụzi, ime ka ụmụakwụkwọ nwee m masị n'ịmụ asụsụ Igbo nakwa ime ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo tọọ ụtọ. N'agbanyeghị uru ndị a ngwa nkụzi bara n'ikụzi na ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ, Mkpa (1987) chọpụtara na ọtụtụ ndị nkụzi anaghị eji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche.Ụfọdụ na-eji ngwa nkụzi akụzi ihe naanị mgbe e nwere ndị nleta ụlọakwụkwọ bịara ileta etu ihe si aga n'ụlọakwụkwọ. Ndị nchọcha dị iche iche chọpụtakwara otu ihe ahụ Mkpa chọpụtara nke mere ndị nchọcha nke ugbu a ji hụ ya dịka ihe dị oke mkpa ileba anya nke mere ha ji họrọ isiokwu nchọcha a bụ iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị nke nta dị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steetị Enugu. Nchọcha a na-egosi na ụmụaka na-eto eto na-aghọta ihe a hụrụ anya karịa nke a gụrụ agụ n'akwụkwọ. Ọzọ bụkwa na ihe a na-ahụ anya na-akwalite mmasị ụmụaka. Ọ bụ nke a mere iji ngwa nkụzi akụzi ihe tụmadị asụsụ Igbo jiri dị oke mkpa.

Asụsụ Bekee ewerela obi ụmụakwụkwọ dị iche iche nke mere na ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghịzi mmasị n'asụsụ ala anyị. Ikụzị asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ndị a anaghị adị mfe ọkachasị n'ogo praịmarị na sekọndịrị nke nta,n'ihi na ndị a na-akụzịrị ya ka bụ ụmụaka. Ọ bụ nkea mere ndị nchọcha jiri nwee mmasị ileba anya n'iji ngwa nkụzi akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ nta tụmadị n'Udenu nke Steeti Enugu iji wee mara uru ọ ga-abara nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo ndị dị n'okpuru ọchịchị a.

Ebum n'obi nchọcha bụ: 1. Ịkọwa ihe bụ ngwa nkụzi, 2. Ịchọpụta ụdị ngwa nkụzi ndị e nwere n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nke nta ndị dị n'okpuru ọchịchị Udenu, 3. Ịchọpụta ma ndị nkụzi nọ n'ụlọaakwụkwọ ahụ ọ bụ ndị kwesịrị ịkụzi asụsụ Igbo,4. Ịmata ma ndị nkụzi ọ na-eji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo, 5. Ịmata ụdị ngwa nkụzi ha ji akụzi asụsụ Igbo ma ọ dabara adaba, 6. Ịkọwa uru iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo baara ụmụakwụkwọ.

A jụkwara ajụjụ nchọcha a iji wepụta echiche mmadụ gbasara isiokwu a

1. Gịnị bụ ngwa nkụzị? 2. Kedụ ụdị ngwa nkụzi ndị e nwere n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nke nta ndị dị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steetị Enugu? 3. Ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo ha tozuru etozu ikụzi asụsụ Igbo

n'ụlọakwụkwọ ndị ahụ? 4. Ndị nkụzi niile ha na-eji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ndị a? 5. Ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo ọ dabakwara adaba? 6. Kedu uru iji ngwa nkụzị akụzị asụsụ Igbo baara ụmụakwụkwọ?

Uru nchọcha rụtụrụ aka n'atụtụ mmugharị nke Pavlov mere n'afọ 1949, nke Brunner n'afọ 1961. Ndị nchọcha na-atụ anya na ọtụtụ ndị dị iche iche ga-erite uru na nchọcha a. Ndị a gụnyere ndị dịka: Ndị nkụzi, ụmụakwụkwọ, ndị nchọcha ọzọ, ndị gọọmenti, ndị na-ahazi kọrịkulum na ọha na eze. Abịa na ndị nkụzi, uru ha ga-erite na nchọcha a bụ na ọ ga-enyere ha aka ịmata ka e si eji ngwa nkụzi akụzịrị ụmụakwụkwọ ihe. Ọ ga-emekwa ka ndị nkụzi mara ụdị ngwa nkụzi dị mma e ji akụzi asụsụ Igbo. Nchọcha a ga-eme ka ịkụzi asụsụ Igbo dịrị ndị nkụzi mfe karịa ka ọ dị na mbụ.

Ụmụakwụkwọ n'aka nke ha ga-eritakwa uru na nchọcha a maka na iji ngwa nkụzi akụziri ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta ihe na-enyere ụmụakwụkwọ aka inwe ezi nghọta mịrị emị na ngalaba ihe ọmụmụ ọbụla n'ụlọakwụkwọ ha digasị iche iche.Ọ na-enyekwara ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta aka n'isonye n'ihe ha na-eme na klasị nakwa onye nkụzi ikuziri ha ihe nkeọma, n'ihi na ihe ha hụrụ anya ga-aba n'ụmị ma ha agaghị echefu ya echefu karia naanị nke ha nụrụ na ntị.Ọ na-enyekwa aka ime ka ụmụakwụkwọ sekọndịrị nke nta mata ihe na-eme n'ụwa gbara gburu gburu. Ọbụghị naanị ụmụakwụkwọ sekọndịrị nta kama ụmụakwụkwọ niile.

Ndị ọzọ na-amụ maka asụsụ Igbo nakwa ndị ọzọ ga-eme nchọcha n'oge ọdịnihu sokwa na ndị ga-erite uru na nchọcha a. Ndị nchọcha ndị ọzọ ga-erita uru na nchọcha a, n'ihi na ọ ga-abụrụ ha ebe mgbado ụkwụ n'ime nchọcha yitere isiokwu a n'ọdịnihu site na nchọpụta e merela.

Ụdị nchọcha a ga-enyere gọọmenti na otu dị iche iche aka ịchọpụta ngwa nkụzi kwesịrị ekwesị iji kụzie asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nke nta ma gbaa mbọ hụ na e wetere ha nye ụlọakwụkwọ ndị dị n'okpuru ọchịchị dị iche iche na Steeti niile dị n'ala anyị bụ Naịjirịa, ọkachasị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steetị Enugu. Ndị na-ahazi kọrịkulum bụkwa ndị ọzọ nchọcha a ga-abara uru n'ihi na ọ ga-enyere ha aka ịmata ụdị ngwa nkụzi ndị ha ga-ewebata na kọrịkulum n'ogo ụlọakwụkwọ dị iche iche afọ ọbụla.

Ọha na eze maọbụ ọha obodo ga-eritakwa uru na nchọcha a n'ihi na ọ bụ ụmụ ha ka a na-akụziri. Ụfọdụ n'ime ha ga-enyekwa aka n'ịzụta ya bụ ngwa nkụzi e ji akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche. Nkụzi dị mfe, ọmụmụ adịkwa mfe, ụmụakwụkwọ enwee mmasị n'ịgụ na ịsụ asụsụ Igbo.

Nchọcha a bụ nke hibere isi n'ọmụmụ asụsụ Igbo, ọkachasị n'ụzọ e si akụzi asụsụ Igbo a nke bụ iji ngwa nkụzi akụzị ya n'ụlọakwụkwọsekọndịrị nta dị n'okpuru ọchịchị Udenu n' Enugu Steeti. Nchọcha a ehibeghị isi n'ụlọakwụkwọ ndị a niile kama o hibere isi n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nke nta.Ọ bụghị ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta niile ma ọ bụ ndị niile nọ n'okpuru ọchịchị Udenu nke Steeti Enugwu ka ndị nchọcha ga-eme nchọcha na ya. Ụlọakwụkwọ atọ ndị dị n'okpuru ọchịchị Udenu ka e jiri mee nchọcha.

Ndị nchọcha lebara anya na ntụlegharị agụmagụ n'isiokwu ndịa: Atụtụ nkọwa, Atụtụ mmụgharị, Nchọcha a hụrụ anya, na Nchịkọta ntụlegharị agụmagụ

Atụtụ Nkọwa

Nchọcha lebara anya n'isiokwu ndị dị mkpa n'ọrụ nchọcha a. Ya bụ isiokwu ndị ahụ nchọcha a gbadoro ụkwụ na ha.Isiokwu ndị anyị ga-akọwa ebe a gụnyere: Asụsụ Igbo, Nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta, Ngwa nkụzi, na Iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta.

Agbụrụ ọbụla maọbụ obodo ọbụla e nwere n'ụwa nwere asụsụ nke ha. Naijiriịa bụ obodo nwere ọtụtụ agbụrụ ma nwee ọtụtụ asụsụ n'ime ya. Agbedo (2007) zipụtara na e nwere asụsụ karịrị narị anọ n'ala Naijiriịa. Gọọmentị etiti wepụtara asụsụ atọ kacha pụta ihe a ga na-amụ n'ụlọakwụkwọ nke gụnyere Hausa, Igbo na Yoruba. Ebe Igbo so n'agbụrụ e nwere n'ala Naijiriịa. Ha nwere asụsụ ha a na-akpọ asụsụ Igbo bụ nke a na-amụ n'ụlọakwụkwọ dị iche iche na ogo dị iche iche taa.

Asụsụ Igbo

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ndị agbụrụ Igbo bi na ọwụwa anyanwụ ala Naijiriịa. Ndị na-asụkwụ asụsụ Igbo bụ ndịa: Abịa, Anambra, Ebonyi, Enugu na Imo.Asụsụ Igbo dịka e kọwaa ya, si n'ezinụlọ agbụrụ Benue Congo nke ọhụrụ site na ndepụta(Greenberg1965). Ikekonwu (1987) kwukwara na ndị Igbo ji asụsụ ezipụta nkwenye, omenala na usoro obibi ndụ ha. A na-akụzi ma na-amụ asụsụ Igbo

n'ụlọakwụkwọ n'ogo mmụta dị iche iche dịka n'oge sekọndịrị nke ukwu na nke nta.

Nkụzi Asụsụ Igbo N'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Nta

Ikụzi asụsụ Igbo bụ ihe na-adịghị mfe n'ihi na ọ bụghị onye ọbụla bụ onye Igbo maara asụsụ Igbo ọkachasị asụsụ Igbo izugbe e ji akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ. Ọzọkwa, inweta ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị elu anaghị adị mfe n'ihi na ụfọdụ na-ahụ ya dịka ihe na-enweghị isi. Ọ bụ nke a mere nkụzi asụsụ Igbo jiri bụrụ ihe siri ike n'ihi na ọ bụghị mmadụ niile nwere mmasị ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị. Ebe ọ bụ na ndị a na-akụziri asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nta enwekebeghi mmasị n'ịmụ ya bụ asụsụ Igbo, ọ bụ ihe dị ezigbo mkpa na a ga-achọ ụzọ a ga-esi mee ka ụmụakwụkaọ nwee mmasị na ya bụ ọmụmụ asụsụ Igbo ma tinye uchu n'ịghọta ya nke oma. Ọ bụ nke a mere iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo jiri dị oke mkpa n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta.

Ngwa Nkụzi

N'uche Nwadike (1993), ọ kọwara ngwa nkụzi dịka ụmụ akụrụngwa ndị ahụ a na-ewebata na nkụzi na ọmụmụ ihe iji mee ka ụmụakwụkwọ ghọta ihe a na-akụziri ha nke ọma. Onye nkụzi iji ngwa nkụzi dabara adaba akụzị asụsụ Igbo ga-eme ka ihe ọ na-akụzi doo anya ma mekwaa ka mmụọ na uche ụmụakwụkwọ dị n'ihe ọ na-akụzi. N'ịkwado echiche ahụ, Mkpa (1987) chetara na ọ dịka afọ iri anọ gara aga ka a malitere iji ngwa nkụzi akụzi ihe maka inweta ọmụmụ ihe kacha mma. Ọ gara n'ihu kwuo na ndị nkụzi n'ụlọakwụkwọ niile n'obodo a kwesịrị iji ngwa nkụzi were na-akụzị ihe n'ụlọakwụkwọ.

Iji Ngwa Nkụzi Akụzi Asụsụ Igbo N'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị Nta

A chọpụtala na iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo bụ ihe dị oke mkpa ọkachasị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta n'ihi na ụmụaka na-aka aghọta ihe a hụrụ n'anya nke ọma karịa naanị nke ha nụrụ na ntị. Dịka a kọwara n'elu, ụfọdụ ngwa nkụzi dị iche iche e nwere gụnyere: Redio, akwụkwọ ọgụgụ, eserese dị iche iche, chaatị, ngwa dị iche iche wee dịrị gawa. Ngwa nkụzi na-enyere ụmụakwụkwọ aka n'ịghọta ihe a na-akụziri ha nke ọma. Ọ na-eme ka ha nwee mmasị na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo ọkachasị ebe e nwere ihe a na-ahụ anya. Ọ na-akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ n'ihe a na-akụziri ha ma mee ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị mfe.

Ndị nchọcha lebara anya n'atụtụ Pavlov (1849) nakwa nke Brunner (1961) we tụnyere nchọcha Pavlov n'afọ 1849, gosịrị na mmụta na-ewere ọnọdụ mgbe e nwere ihe jikọtara ọkpali na omee. Mgbe ọkpali na omee bịakọtara ọnụ, a ga-enwe njikọta ga-adị n'ụbụrụ isi. Ya bụ na nkọwa, ọmụmụ ga-enweriri ihe ga-ejikọta ha. A na-eme nke a site n'iji ngwa nkụzi bụ ihe eserese akụzi ihe. Atụtụ nnọdebe nso nke ọkpali omee kwenyere na site n'iji ngwa nkụzi were akụzi asụsụ Igbo, ọ ga-enye aka ka ụmụakwụkwọ na-ejikọta ngwa nkụzi na isiokwu nkeọma. Iji maa atụ, onye nkụzi Igbo na-akụzi maka edemede, nke isiokwu ya bụ "Etu e si emepụta ncha" A bịa n'isiokwu a, ọ bụrụ na onye nkụzi ga-enweta eserese ebe nne nwaanyị na-esi ncha ya na ihe e ji esi ncha dịka ngwa nkụzi, ọ ga-achọpụta na ụmụakwụkwọ ga-ejikọta isiokwu ahụ na ngwa nkụzi ahụ ọ dịrị mfe.

Brunner n'afọ 1961, na-arụtụ aka na mgbanwe dị n'etiti mmadụ na etu o si aghọta ihe na ebumunuche ya banyere ihe ọmụmụ ọbụla ọ na-amụ.Atụtụ a na-akọwa ihe ọ bụla mmadụ na-eme nwere ihe ọ na-elegara anya, ebumunuche ya na ihe na-akpalite mmụọ ya ime ihe ahụ. Ihe nwata akwụkwọ na-elegara anya na-akpali mmụọ ya bụ ịgba mbọ oge ọbụla o nwere ọgbatuhie. Ọ na-agba mbọ hụ na ya nwere mmeri n'ihe nhịahụ ahụ.

Atụtụ a metụtara isiokwu nchọcha a maka na ọ bụrụ na ndị nkụzi, ụmụakwụkwọ na ndị gọọmentị ghọta uru iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo bara na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo, n'ọdịnihu, ha ga-agba mbọ hụ na ha tinyere uche n'ime ya nke ọma.

Ọtụtụ ndị ọkammụta emeela nchọcha n'ihe ụfọdụ yiri maọbụ metụtara isiokwụ a n'ụzọ dị iche iche. Ụfọdụ n'ime ha ka a ga-atụle iji hụ ka ha si yie maọbụ metụta isiokwu nchọcha a. Ọrụ nchọcha nke mbụ a ga-eleba anya bụ nke ndị nchọcha mere n'afọ 1997. Ya bụ Abugu, Okoye & Chukwu (1997) n'isiokwu ha kpọrọ 'ọnọdụ ngwa nkụzi n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị na Nsukka Urban nke Steeti Enugu'. Ha jiri ụlọakwụkwọ isii na ndị nkụzi iri ise na anọ wee mee nchọcha ha. Ha chọpụtara ọtụtụ ihe ndị a: Ngwa nkụzi e nwere maka ịkụzi asụsụ Igbo pere mpe. Nke ọzọ abụrụ na ngwa nkụzi ndị dị adị, ndị nkụzi anaghị eji ha akụzi ihe oge ọbụla.

Nchọcha nke a yitụrụ nke a na-eme ugbu a n'ihi na ọ na-ekwu maka ngwa nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo mana ihe dị iche na nke ugbu a bụ na nke a na-eme ugbu a na-eleba anya n'iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nta dị n'okpuru ọchịchị Udenu ebe nchọcha nke ndị gara aga lebara anya n'ọnọdụ ngwa nkụzi n'ebe nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị na Nsukka *urban* nke Steeti Enugu. Nke ụgbụa ga-agbado ụkwụ n' iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nke nta ndị dị n'okpuru ọchịchị Udenu dị na Steeti Enugu. Nchọcha nke gara aga bụ n'okpuru ọchịchị Ezeagu ọ bụghị Udenu ma ha abụọ bụ na Steeti Enugu.

N'ọrụ nchọcha nke Iloene, Iloene, Mbah & Mbah (2013), lebara anya n'iji ngwa teknọlọji ọhụrụ akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ. Ndị nchọcha a jiri mahadum abụọ nọ n'ala anyị bụ Naịjirịa na mmadụ iri anọ wee mee nchọcha ha. Nchọcha ha tụlere ngwa teknọlọji ọhụrụ ndị e nwere nakwa etu e si eji ha akụzi asụsụ Igbo n'ala Igbo. Ha chọpụtara na e nwere ngwa teknọlọji ọhụrụ dị iche iche e nwegasịrị na nkụzi asụsụ Igbo. A na-ejikwa ụfọdụ n'ime ha akụzi asụsụ Igbo ọkachasị n'oge ugbu a iji mee ka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo dị mma ma dịkwa mfe.

Omeje & Chineke (2015) na nchọcha nke ha lebara anya n'inwe na iji ngwa nkụzi na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo na mpaghara agụmakwụkwọ dị n'Obollo-Afor. Ndị nchọcha jiri akwụkwọ ajụjụ nke nwere ajụjụ iri anọ wee mere ajụjụ ọnụ ha gbara ndị mmadụ iji nweta ihe ha na-achọ. Nchọpụta ha gosịrị na-enweghị ngwa nkụzi zuru oke na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ anyị. Ọzọkwa bụ na nke obere ndị e nwere, ndị nkụzi anaghị eji ha otu o kwesịrị akụzi ihe oge ọbụla.

Nchọcha nke a yitụrụ nke a na-eme ugbu a n'ihi na ọ na-ekwu maka ngwa nkụzi n'ikụzi na ịmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ma ebe ọ dị iche bụ na ọ gbadoro ụkwụ n'ụlọakwụkwọ ndị nọ na mpaghara zoonu agụmaakwụkwọ dị n'Obollo-Afor ebe nke a na-eme ugbu a bụ n'okpuru ọchịchị Udenu.

Izal (2015) mere nchọcha nke ya n'isiokwu bụ iji katuun dika ngwa e nwere ike iji kụzie edemede nkọwa. Ebumnuche nchọcha ya bụ ịmata ihe kpatara ụmụakwụkwọ ji enwe ihe nhịaahụ n'edemede ma chọpụtakwa ụzọ a ga-esi gboo ya bụ nsogbu. Ọ gbasoro usoro nkọwa na nchọcha ya. Ọ kọwara na katuun bụ ụzọ dị mma nke onye nkụzi nwere ike iji gwa ụmụakwụkwọ ya ka ha dee edemede

nkọwa gbasara eserese ha hụrụ maọbụ onyonyo ha lelere. Ọ gakwara n'ihu ịchọpụta na e nwere ike ikewa ụmụakwụkwọ ụzọ abụọ, gwa ha ka ha tụkọta isi ọnụ kọwapụta ihe ha hụrụ.

Nchọcha a chịkọtara na ọ bụ oke na ọrụ onye nkụzi ịkpali mmụọ ụmụakwụkwọ ya ịkọwa ihe ha hụrụ na katuun. Ka onye nkụzi lelechara ihe ụmụakwụkwọ dechara, ọ ga-akpọkọta ha ọnụ wee nye ha mgbazi. Nchọcha nke a enweghị ụlọakwụkwọ ọ gbadoro ụkwụ na ya kpọmkwem mana nke a na-eme ugbu a na-agbado ụkwụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta nke dị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steeti Enugu.

N'ikpeazụ, nchọcha ọzọ a ga-eleba anya bụ nke Ene, Obayi & Obeta (2021) na nchọcha nke ha mere gbasara uru ngwa katuun bara n'ikụziri ụmụakwụkwọ praịmarị odide asụsụ Igbo n'okpuru Enugu nọọt nke Steeti Enugu. Nchọcha ha gbadoro ụkwụ na ngwa katuun na uru ọ bara n'ikụzi ihe. Ọzọkwa, ọ bụ n'ụlọakwụkwọ praịmarị nakwa n'okpuru ọchịchị Enugu nọọt nke Steeti Enugu ka o hibere isi ma ebe nchọcha nke a na-eme ugbu a gbadoro ụkwụ bụ n'iji ngwa nkụzi nkịtị nakwa n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta n'okpuru ọchịchị Udenu nke Steeti Enugu.

Na nchịkọta ntụlegharị agụmagụ, nke a gbadoro ụkwụ na ndịnaisiokwu atọ ndị a, nke bụ atụtụ nkọwa, ebe a kọwaramaka asụsụ, asụsụ Igbo, nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekondịrị nta, ngwa nkụzi na iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ nta. Atụtụ mmụgharị nke gụnyere atụtụ omee nke Pavlov 1849 na atụtụ nghọta nke Brunner 1961 nakwa nchọcha a hụrụ anya nke gbasara nchọcha ndị ọzọ merela banyere isiokwu nke bụ iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ndị nta dị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steeti Enugu.

Nchọcha ndị a niile gosịrị na e nwere ihe bụ ngwa nkụzi n'ebe nkụzi asụsụ Igbo nọ. Nke ọzọ abụrụ na iji ngwa nkụzi ndị a akụzi asụsụ Igbo dị mkpa ọkachasị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta. Nchọcha ndị a e merela na-egosị na e nweghị ngwa nkụzi zuru oke ebe ọ dị ukwuu n'ụlọakwụkwọ ndị nọ n'ala anyị tinyere na ndị nkụzi anaghị eji ndị nke e nwere akụzị ihe n'ụlọakwụkwọ anyị dị iche iche.

Na nchịkọta, site na mbọ niile a gbarala iji gosị mkpa ọ dị iji ngwa nkụzi akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ, anyị tinyere ụzọ dị iche iche a ga-esi gbochie nsogbu dị n'iji ngwa nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo, ndị nchọcha a chọpụtara na ọ ka nwere ebe e kwesịrị ilenye anya n'iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo ọkachasị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị ndịdịnta. Ọzọ, site na nchọcha a hụrụ anya nke ndị nchọcha tụleghaịrị n'ebe a, o nwebeghị ụdịnchọcha e merelan'okpuru ọchịchị Udenu na Steetị Enugu n'isiokwu a bụ iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbon'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta. Ọ bụ oghere a ka ndị nchọcha chọrọ ikpuchite.

Usoro na-arụtụ aka ụdị nchọcha; ebe nchọcha; ndịejiri mee nchọcha; ngwa nchọcha; nnyocha ngwa nchọcha; usoro nnweta ngwa nchọcha; na usoro nhazi ihe a chọpụtara. Usoro e jiri mee nchọcha a bụ usoro nleghaṛiadịm nkọwa. Nleghaṛiadịm nkọwa dịka Nworgu (1991) siri kọwaa ya bụ ụdị sọvee na-achọpụta ihe dị adị, kọwaa ya n'ụzọ doro anya. A na-eme nke a site n'iwekọta na inyocha data sitere n'ihe gbasara ọnụọgụgụ ndị e jiri mee nchọcha. Ụdị nchọcha bụ nke ga-enye aka ịchọpụta mkpa ọ dị iji ngwa nkụzi kụzie asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta ndị dị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steeti Enugu. Nchọcha nleghaṛiadịm nkọwa bụ ụdị nchọcha nke ga-enyere ndị nchọcha aka iwepụta mma ọkaibe na nchọcha ha.

Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị niile ndị dị n'okpuru ọchịchị Udenu nke Enugu Steeti bụ nke ndị gọọmentị nwe. Ndị nchọcha họọrọ ụlọakwụkwọ atọ wee mee nchọcha ha. Ya bụ na nchọcha anyị a agbasaghị ụlọakwụkwọ ndị kwụrụ o nwee ha.Udenu so n'otu okpuru ọchịchị ndị e nwere na Steeti Enugu nke isi ụlọ ọrụ ya dị n'Obollo-Afor. Okere ala Udenu ruru narị kilomita abụọ, iri anọ na asatọ (248km2). Dịka a chọpụtara n'usoro ọnụọgụgụ nke afọ 2006, ọnụọgụgụ ha dị otu narị puku na iri asaa na asatọ, narị anọ na iri isii na isii (178,466).

Udenu na Nsukka gbara agbataobi n'ọdịda anyanwụ n'ebe a na-akpọ Nru Nsukka na Orba. A bịa n'ọwụwa anyanwụ, Udenu na Otukpo gbara agbataobi. N'ugwu, Udenu na Ikem Isi Ụzọ gbara agbataobi ebe ya na ndị Ovoko, Igbo-eze Nọọt na Sawụt gbara agbataobi na ndịda. E nwere ọtụtụ obodo ndị mebere Udenu dịka: Ezimo, Imiliki, Obollo-Afor, Obollo-Eke, Ogbodo-Abba, Umundu na ndị ọzo.

Otu ihe e jiri mara ndị Udenu bụ na ha hụrụ omenala n'anya nke otu n'ime ha bụ mmemme ọnwa asaa ha na-eme. Akaọrụ e jiri mara ha bụ ọrụ ugbo.Ihe mere e jiri họrọ okpuru ọchịchị Udenu maka ime nchọcha abụ na Udenu so n'okpuru ọchịchị ndị a na-eleghara anya n'ime nchọcha ọkachasị n'ebe ihe gbasara nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo.

Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ndị nkụzi dị iri anọ na ise (45) sitere n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nke nta atọ ndị a họọrọ n'okpuru ọchịchị Udenu nke Enugu Steeti. Site n'ụlọọrụ ndị PPSMB, a chọpụtara na ụlọakwụkwọ sekọndịrị e nwere n'Udenu ruru iri na isii ma ndị nchọcha họọrọ atọ n'ime ha bụ were mee nchọcha. Ọzọkwa a họọrọ ndị nkụzi dị iri na ise (15)site n'otu ụlọakwụkwọ na-agbasoghị usoro ọbụla wee mee nke a. Ndị nkụzi ndị a bụ ndị a tụrụ anya n'aka ga-enye ndị nchọcha ihe a chọrọ n'ọrụ nchọcha a nke bụ iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta nke dị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steeti Enugu.

Ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ njụmaza nke aha ya bụ: Njụmaza Iji Ngwa Nkụzi Akụzi Asụsụ Igbo. A haziri ajụjụ ederede njụmaza a ụzọ abụọ. Agba nke mbụ bụ nkọwa maka onye ga-aza ajụjụ na ọsịsa a ga-enye n'ajụjụ ọbụla. Agba nke abụọ bụ ajụjụ n'onwe ya nke e kejiri ụzọ anọ. Mkpokọta nke mbụ nwere ajụjụ asaa, ebe mkpokọta nke abụọ, nke atọ na nke anọ nwere ajụjụ ise ise. Ajụjụ niile dị iri abụọ na abụọ.

Nkeji ajụjụ nke mbụ na-achọ ịmata mkpa ọ dị iji ngwa nkụzi dịgasị iche iche e nwere akụzi asụsụ Igbo. Nkeji nke abụọ na-achọ ịmata uru iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo bara. Nkeji nke atọ na-achọ ịmata otu ndị nkụzi asụsụ Igbo si ejidebe ngwa nkụzi ndị dịnụ akụzi asụsụ Igbo. Nkeji nke anọ na-achọ ịmata ọgbatauhie a na-enwe n'iji nkụzi kụzie asụsụ Igbo. A haziri nhọrọ ọsịsa ajụjụ ndị a n'ụzọ anọ nke gụnyere: Ekwesiri m ike (EI), Ekwere m (E), Ajụrụ m (A) na Ajụsiri m ike (AI).

Iji hụ na njatụle e nwetara na nchọcha ruru ihe o tosiri iru, ndị nchọcha bunyere ndị maara ihe ekwe na-akụ ka ha leba anya nanjatụle a, ebe ha mechara ma wepụta nke ka mma maka nchọcha a.

Ndị nchọcha natara ikike n'aka onyeisi ụlọakwụkwọ ha ji eme nchọcha tupu ha abanye ime nchọcha ha. Ha jiri akwụkwọ ajụjụ ederede njụmaza dị iri anọ na ise

wee mee nchọcha ha. Ndị nchọcha jiri aka ha wee kee ndị nkụzi njụmaza ndị ahụ. Ndị nchọcha nyekwara obere nkọwa gbasara otu a ga-esi zaa ajụjụ ndị ahụ. Ndị nchọcha natachakwara njụmaza ha nyere ndị ha jiri mee nchọcha ozigbo ha zachara ajụjụ dị na ya iji wee hụ na ọ nweghị nke a chọrọ achọ.

Ndị nchọcha hazikwara ajụjụ na ọsịsa ha nwetara n'ụdị tebụlụ. Ọsịsa niile ha nwetara gbasoro usoro a:

Ekwesiri m ike	EI	4
Ekwere m	E	3
Ajụrụ m	A	2
Ajụsiri m ike	AI	1

N'ebe a, ndị nchọcha ga-eji usoro miin 2.50 bụ nke ha nabatara wee rụọ ọrụ. Nke a pụtara na ọsịsa ajụjụ nchọcha ọbụla nke ruru 2.50 maọbụ gafee bụ nke a nabatara ma nke na-erughị 2.50 bụ nke na-anabataghị.

Ihe A Chọpụtaracha

Ndị nchọcha chọpụtara na e nwere ngwa nkụzi dị iche iche. E nwere ngwa nkụzi nkịtị na ngwa nkụzi nke teknoloji e ji akụzi asụsụ Igbo. Dịka isiokwu nchọcha a siri dị, ọ bụ ngwa nkụzi nkịtị ka ndị nchọcha a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha, n'ihi na ọtụtụ ndi mmadụ na-elenye anya na ngwa nkụzi nke teknọlọji n'ihi na oge ugbu a bụ oge teknoloji. A hapụrụ ihe ochie bụ ngwa nkụzi nkịtị bụ nke anyị ji aka ga-enyere ụmụakwụkwọ ndị nọ n'ụlọakwụkwọ sekọndịri nta aka bụ ebe nchọcha a hibere isi.

Ndị nchọcha gbadoro ụkwụ n'ajụjụ nchọcha isii nchọcha e nwere na nchọcha a wee tapịa ihe e nwetara.

Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ: Gịnị bụ ngwa nkụzị?

Mkpokọta nke mbụ:

Ndị nchọcha chọpụtara na ngwa nkụzi bụ ụmụ irighiri ihe a na-ewebata mgbe a na-akụzị ihe iji mee ka ihe a na-akụzi kwe nghọta nke ọma. Onye ọrụ ọbụla nwere ngwa ọrụ o ji arụ ọrụ iji mee ka ọrụ ya gaa were were nkeọma. N'ihi nke a, ndị nchọcha chọpụtara na ngwa nkụzi bụ ihe onye ọbụla na-akụzi nkụzi ga-ewebata mgbe ọ na-akụzi nkụzi, iji mee ka ihe ọ na-akụzi doo anya nke ọma ọkachasị n'ebe

ụmụaka na ụmụakwụkwọ nọ. Ndị nchọcha chọpụtakwara na mgbe ọbụla e jiri ngwa nkụzi were kụziere ụmụaka ihe, ha na-aka aghọta ihe ahụ nke ọma n'ihi na ndị kwuru okwu kwuru sị n'ịhụ n'anya bụ i kwere n'ezie.

Ajụjụ Nchọcha Nke Abụọ: Kedu ụdị ngwa nkụzi ndị e nwere n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị a?

Tebụlụ a dị n'ala na-atule ma na-atọsakwa ụdị ngwa nkụzi ndị e nwere e ji akụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị ndị a a kpọrọ aha ha.

Ngwa nkụzi dị iche iche	Nke e nwere	Nke enwghị	Mkpokọta
Akwụkwọ asụsụ Igbo	40	5	45
Ihe ọkpụkpụ	30	15	45
Eserese	39	6	45
Ngwa egwu	23	22	45
Ngwa ejije	20	25	45
Redio	–	45	45
Tii-vii	–	45	45
Chaatị	45	–	45
Teepurekọda	–	45	45
Mgbo ojii	45	–	45
Kọọchọ rum	3	42	45

Tebụlụ a dị n'elu na-egosị na mgbo ọjiị na chaatị bụ naanị ngwa nkụzi ndị e nwezuru enwezu n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nta ndị a. Akwụkwọ ọgụgụ bụ nke na-esote ha, nke atọ na ndị akacha nwee bụ eserese, ihe ọkpụkpụ ana-esote ya, ọzọ na-esote ya bụ ngwa egwu, ngwa ejije nakwa kọọchọ rum dị naanị atọ.

Ndị nchọcha chọpụtakwara na atọ ndị a bụ ndị nke ha na-enweghị chaa chaa gụnyere: Redio, Tii-vii na Teepụrekọda

N'ime tebụlụ a, a na-akọwa maka ya, a ga-ahụ na ọ bụ naanị ngwa nkụzi abụọ ka enwezuru enwezu, ọtụtụ bụ ndị e nwezụghị ebe ụfọdụ bụkwa ndị a na-enweghị chaa chaa.

Ajụjụ Nchọcha Nke Atọ: Kedu ụdị ndị nkụzi na-akụzi ihe n'ụdị ụlọakwụkwọ ndị a?

Ọsịsa ndị nchọcha nwetara n'aka ndị nkụzi na-akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ndị a bụ ndị nke a kọwara na tebụlụ ndị a na-esonụ.

Tebụlụ (a): Ndị nchọcha chọpụtara na e nwere ndị nkụzi nwoke na ndị nkụzi nwaanyị n'ụlọ akwụkwọ ndị a:

Nwoke na nwaanyị	**Azịza ọnụọgụgụ ndị nkụzi**	**Pasentị**
Nwoke	15	33.3%
Nwaanyị	30	66.6%
Mkpọkọta	**45**	**100%**

Tebụlụ a na-egosipụta na ndị nkụzi dị iri na ise (15) maọbụ pasentị iri atọ na atọ na ọkara bụ ụmụ nwoke ndị na-akụzi n'ụlọakwụkwọ ndị ahụ ebe ndị nkụzi dị iri atọ (30) maọbụ pasentị iri isii na isii na ọkara bụ ụmụ nwaanyị ndị na akụzi n'ụlọ akwụkwọ ndị ahụ.Mkpokọta ndị nwoke na ndị nwaanyị nyere anyị ndị nkụzi iri anọ na ise (45) nke pụtara pasentị otu narị.

Tebụlụ (b): Ndị nchọcha chọpụtara afọ ole ndị nkụzi na-akụzi n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nta ndị a dị:

Afọ ndị nkụzi	**Azịza ọnụọgụgụ**	**Pasentị**
Iri abụọ na ụma	11	24.4%
Iri atọ na ụma	16	35.5%
Iri anọ na ụma	18	40%
Mkpọkọta	**45**	**100%**

Tebụlụ a na-egosipụta na ndị nkụzi ọnụogụgụ ha dị iri na otu maọbụ pasentị iri abụọ na anọ na ụma anọ nọ n'ụlọakwụkwọ ndị a nọ n'afọ iri abụọ na ụma, ebe ndị nkụzi dị iri na isii maọbụ pasentị iri atọ na ise na ọkara nọ n'afọ iri atọ na ụma n'ụlọakwụkwọ ndị a. Ndị nkụzi dị iri na asatọ maọbụ pasentị iri anọ nọ na-agbata afọ iri anọ na ụma maọbụ karịa n'ụlọ akwụkwọ ndị a.

Tebụlụ (c): Anyị chọpụtara ụdị asambodo ndị nkụzi na-akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ndị a nwere.

Asambodo	**Azịza Ọnụọgụgụ**	**Pasenti**
N.C.E	25	55.5%
Digirii	15	33.3%
Mastas	5	11.1%
Mkpokọta	**45**	**100%**

Tebụlụ a na-egosi na asambodo ndị nkụzi nọ n'ụlọakwụkwọ Sekọndịrị ndị a anyị jiri mee nchọcha na-egosị na mmadụ iri abụọ na ise bụ ndị nkụzi ndị ji asambodo N.C.E akụzi ihe, ebe ndị nkụzi onụọgụgụ ha dị mmadụ iri na ise bụ ndị ji asambodo Digrii akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ ndị a. Ọ bụ naanị ndị nkụzi mmadụ ise ji asambodo Mastas akụzi ihe n'ulọ akwụkwọ ndị a.Site n'otu tebụlụ a, anyị hụrụ na ndị nkụzi ndị ji asambodo N.C.E karịrị ndị ji Digirii na ndị ji Masta

Ajụjụ Nchọcha Nke Anọ: Kedu ọnụọgụgụ ndị nkụzi ndị na-eji ngwa nkụzi akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ?

Tebụlụ d: Ndị nchọcha chọpụtara ọnụọgụgụ ndị nkụzi na-eji ngwa nkụzi akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ.

Ndị nkụzi	Ọnụọgụgụ	Pasenti
Ndị na-eji ngwa nkụzi	20	44.4%
Ndị na-anaghị eji ngwa nkụzi	25	55.5%
Mkpokọta	45	100%

Ndị nchọcha chọpụtara site na nchọcha e mere na ọnụọgụgụ ndị nkụzi bụ ndị na-eji ngwa nkụzi akụzịrị ụmụakwụkwọ ihe n'ụlọakwụkwọ dị iri abụọ (20) ebe ọnụọgụgụ ndị nkụzi bụ ndị na-anaghị eji ngwa nkụzi akụziri ụmụakwụkwọ ihe n'ụlọakwụkwọ dị iri abụọ na ise (25).

Nchọcha e mere gosịrị anyị na ọnụọgụgụ ndị nkụzi ndị na-anaghị eji ngwa nkụzi ha arụ ọrụ karịrị ọnụọgụgụ ndị nkụzi ndị nke na-eji ngwa nkụzi ha akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ.

Ajụjụ Nchọcha Nke Ise: Kedụ ụdị ngwa nkụzi ndị e ji akụzi asụsụ Igbo?
Ihe ndị nchọcha chọpụtara na nchọcha a na-egosi na ngwa nkụzi ndị nkụzi ndị nke na-eji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo bụkarịrị chaatị, mgbo ojii na akwụkwọ ọgụgụ. Ọ bụ ihe kwesịrị na ndị nkụzi ga na-eji ngwa nkụzi dị iche iche akụziri ụmụaka ihe n'ụlọakwụkwọ.

Ajụjụ Nchọcha Nke Isii: Kedụ uru dị n'iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ?

Ndị nchọcha chọpụtara site na nchọcha e mere na e nwere ọtụtụ uru iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo bara nke ụfọdụ n'ime ha gụnyere:

1. Ngwa nkụzi na-akpalite mmụọ ụmụakwụkwọ mgbe a na-akụziri ha ihe. Nke a bụ maka na mgbe e ji ngwa nkụzi akụziri ụmụakwụkwọ ihe, ọ na-eme ka mmụọ ha dị n'ihe a na-eme.
2. Ngwa nkụzi na-enye aka ka ndị na-anaghị aghọta ihe a na-akụzi na-aghọta ya nke ọma. Nke a bụ maka na mgbe onye nkụzi na-egosi ụmụaka ọmụmaatụ ihe ọ na-akụziri ha, ha ewere anya ha na-ahụ ya, ọ ga-eme ka ha ghọta ihe onye nkụzi na-ekwu maka ya kpọm kwem.
3. Ngwa nkụzi na-enyere onye nkụzi aka ịkọwara ụmụaka ihe n'ụzọ ga-adịrị ya mfe. Nke a bụ maka na mgbe onye nkụzi ji ngwa nkụzi were na akụzịrị ụmụakwụkwọ ihe, ọ na-enye aka ka ha ghọta ihe ọ na-akụziri ha ngwa ngwa ma ghara ijụ ya oke ajụjụ.
4. Ngwa nkụzi na-eme ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị n'ihe ọmụmụ ha na-amụ oge ọbụla.
5. Ngwa nkụzi na-eme ka ihe ọmụmụ siri ike dị mfe. Nke a bụ maka na ụmụaka na-ahụkarị ihe ọmụmụ dịka ihe siri ike mgbe a na-ejighị ngwa nkụzi akụziri ha ihe mana mgbe e ji ngwa nkụzi were na-akụziri ụmụaka ihe, ọ na-eme ka ọ dịrị ha mfe n'ihi na ha na-ahụ ihe a na-akụziri ha n'anya.

Nchịkọta Ihe A Chọpụtara

Nchọcha a e mere gosịrị na ndị nkụzi nọ n'ụlọakwụkwọ ndị a bụkarịrị ndị nkụzi ụmụ nwaanyị. Ihe mmadụ bụ dịka nwaanyị maọbụ nwoke abụghị ihe bụ nsogbu mana ihe bụ nsogbu bụ adịm ike ọrụ ya bụ ndị kara dị ike ọrụ.

Ihe ọzọ ndị nchọcha chọpụtara site nchọcha a bụkwa na a hụkwara na ndị nkụzi bụkarịrị ndị ji nzere mmụta nke N.C.E akụzi ihe karịrị n'ụlọakwụkwọ ndị a. Nchọpụta gosịkwara na ụfọdụ ndị nkụzi bụ ndị ji nzere mmụta Digrii ebe ụfọdụ bụkwa ndị ji nzere mmụta Mastas.

Ndị nchọcha chọpụtakwara na ụfọdụ ndị nkụzi na-eji ngwa nkụzi akụziri ụmụakwụkwọ ihe n'ụlọakwụkwọ ebe ụfọdụ bụ ndị na-anaghị e ji ngwa nkụzi akụziri ụmụakwụkwọ ihe n'ụlọakwụkwọ.Ihe e nwetara na nchọcha a gosịrị na ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ ihe bụkarịrị mgbo ojii, akwụkwọ ọgụgụ na chaatị. Ndị nkụzi kwesịrị iji ngwa nkụzi ndị ọzọ dị iche iche were na-akụziri ụmụakwụkwọ ihe n'ụlọakwụkwọ.

Ndị nchọcha chọpụtakwara site na nchọcha a, uru iji ngwa nkụzi akụzi ihe bara. Uru ngwa nkụzi bara dịka nke Okpala (1980) rụtụrụ aka si na iji ngwa nkụzị akụzi ihe bụ ụzọ e si eme ka ihe a na-akụzi pụta ihe nke ọma. N'ihi nke a, nchọpụta anyị chọpụtara gosịkwara mkpa ngwa nkụzị ndị a dị. Dika e siri hụta na nchọcha a, ngwa nkụzị na-eme ka nkụzị dị mfe wee buru ihe a na-ahụ anya. Ọzọkwa, a hụkwara na ọ na-aka mfe ikọwa ihe onye nkụzị bu n'uche ịgwa ụmụakwụkwọ mgbe o ji ngwa nkụzị wee kụziere ụmụaka ahụ ihe, ya bụ na ngwa nkụzị abụghị ihe onye nkụzị kwesịrị ilegharị anya. Ọ bụ ihe dị oke mkpa iji akụzi ihe tụmadị asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ ọkachasị n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nta ndị a bụ ebe nghọta ụmụakwụkwọ ka dị ala.

Na nchịkọta, ndị nchọcha mere nchọcha n'isiokwu a bụ iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ Sekọndịrị nta dị n'okpuru ọchịchị Udenu nke Steeti Enugwu. Ngwa nchọcha e jiri mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaza nwere ajụjụ anọ. , e lebara anya n'ụfọdụ ihe ndị ọkammụta ụfọdụ derela banyere isiokwu a na ihe ndị yiri ya. A kọwara ihe bụ ngwa nkụzi na uru ngwa nkụzi bara dịka ụfọdụ ndị ọkammụta siri wee hụ ya ma ghọtakwa ya.Ọzọ, a rụtụrụ aka n'ihe gbasara usoro a gbasoro n'ịchọ njatụle e jiri mee nchọcha nke ihe ọmụmụ maka ọnụọgụ na nzere, ngwa ọrụ nchọpụta na ntụkwasi obi ngwa ọrụ nchọpụta nakwa usoro inweta enyemeaka nchọcha.

A kọwapụtara ihe niile ndị nchọcha chọpụtara na nchọcha a nke ọma iji mee ka o doo anya. Ọ bụkwa ebe a ka ha nọrọ na-akọwa maka ntụnyeuche n'ihe ndị a

chọpụtara na nchọcha a e mere nke ga-eme ka ọmụmụ na nkụzi asụsụ Igbo dị mfe ma kwe nghọta.

Nchọpụta ndị nchọcha nwetara site na ntụcha njiatụle e mere gosịrị n'eziokwu na e nwere mkpa ọ dị iji ngwa nkụzi akụzi ihe tụmadị asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nta nke dị n'Udenu na Steeti Enugwu. Nchọpụta ndị a sitere n'ụsa ajụjụ ha nwetara site n'ajụjụ ọnụ ha gbara ndị mmadụ.

Ụsa ajụjụ nke mbụ gosịrị n'ezie na e nwere ngwa nkụzi dịgasị iche iche e nwegasịrị maka nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ dị iche iche e nwere na Steeti Enugwu.Ụsa ajụjụ nke abụọ gosịpụtara na e nwere ọtụtụ uru iji ngwa nkụzi kuzie asụsụ Igbo bara n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nke nta n'okpuru ọchịchị Udenu nke Steeti Enugwu.

Ụsa ajụjụ nke atọ gosịpụtara ka ndị nkụzi asụsụ Igbo si ejidebe ngwa nkụzi ndị ahụ akụzi asụsụ Igbo. Nke a pụtara na ọ bụghị ndị nkụzi niile na-eji ngwa nkụzi akụzi ihe n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta ndị ahụ a gbadoro ụkwụ wee mee nchọcha n'ihi na ọ bụghị ha niile nwere ọzụzụ ka e si eji akọrọngwa ndị a akụzi ihe oge ụfọdụ ọkachasi mgbe ọ dabaghị n'isiokwu ndị a na-akụzi.Ụsa ajụjụ nke anọ gosịpụtara ọgbatuhie a na-enweta n'iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nta n'okpuru ọchịchị Udenu nke Steeti Enugwu.

N'ikpeazụ, ndị gọọmentị ga-agbakwa nnukwu mbọ bunyecha ụlọakwụkwọ sekọndịrị ngwa nkụzi maka ọmụmụ asụsụ Igbo ọkachasị n'okpuru ọchịchị Udenu nke Steeti Enugwu ka ọ ghara ị bụ sọ na ntụzi aka nke onye nkụzi ga-eji na-egosị ụmụakwụkwọ ihe ọmụmụ. Ngwa nkụzi na-akpọlite mmụọ ụmụakwụkwọ.

> Ọ na-enye aka ka ndị anaghị aghọta ihe onye nkụzi na-akụzi ghọta ya nke ọma.Ngwa nkụzi na-enyere onye nkụzi aka n'ihe ọ na-akọwa.Ọ na-enye aka ka ihe onye nkụzi na-akụzi chawakpụta ma gbukee.Ngwa nkụzi na-enye aka ka ihe onye nkụzi na-akụzi na-edo ụmụaka anya nke ọma.Ngwa nkụzi na-eme ka ụmụakwụkwọ nwee mmasị n'ihe ọmụmụ. N'ikpeazụ, ọ na-enye aka ka ihe ọmụmụ siri ike dị mfe.

Mmechi

Ihe nchọpụta na nchọcha a na-egosị na ngwa nkụzi bụ nnukwu ihe dị mkpa na nkụzi na ọmụmụ asụsụ Igbo ọkachasị n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị nta. Ngwa nkụzi na-eme ka nkụzi dị mfe ma na-emekwa ka mmụta dị mfe. Ọ bụ ya mere ndị nchọcha a jiri sị na ọ dị mkpa ka onye nkụzi ọbụla nọ n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị nta na-eji ngwa nkụzi akụzi ihe, ọkachasị n'ikụzi asụsụ Igbo n'ihi na ọ ga-eme ka ọmụmụ asụsụ Igbo na-aga n'ihu ma dịkwa mfe.

Ntụnye Aro

Site na nchọpụta anyị nwetara na nchọcha a ka ndị nchọcha jiri na-atụ aro ndị a dị iche iche ka ndị gọọmenti na ndị nkịtị nye aka n'ịkwalite asụsụ na omenala Igbo ebe ọ dị ukwuu. Ụfọdụ aro ndịa gụnyere:

1. Ndị gọọmentị ga-ahụ na ha na-achịkọba ọmụmụ pụrụ iche bido n'oge ruo n'oge, ebe ndị nkụzi tụmadị ndị na-akụzi asụsụ Igbo nwere ike ịga ọmụmụ mụta etu ha ga-esi na-abawanye na mmụta gbasara mkpa ọ dị iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo.
2. Gọọmentị ga-agba mbọ hụ na ha na-eziga ngwa nkụzi dị iche iche n'ụlọakwụkwọ sekọndịrị anyị ma na-ezitekwa onye ndozi ga na-edozi ha ma ha mebie maka ịkwalite agụmaakwụkwọ ọkachasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo.
3. Ọzọkwa, ndị isi ụlọakwụkwọ kwesịrị ịdị na-ejisi ike hụ na ha zụtara ngwa nkụzi ndị aka ha ga-eru ma zigara ndị gọọmentị ozi maka ndị nke aka ha na-erughị ka ha nyere ha aka zụta ha.
4. Gọọmentị ga-agbakwa mbọ hụ na-azụpụtara ndị nkụzi bụ akwaa akwụrụ ma ọbụrụ na ndị nkụzi a gana-eji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo. Ha ga na-eje ọzụzụ nzụgharị banyere iji ngwa nkụzi akụzi asụsụ Igbo. Nke a ga-eme ka ndị nkụzi ndị a mara ọgbara ọhụrụ dị na ngwa nkụzi. Nke a ga-emekwa ka ọmụmụ asụsụ Igbo dị ụtọ ma dịkwa mfe na nghọta.

Nrụaka

Agbedo, C.U. (2007). *Problems of multilingual nations: The Nigerian perspectives*. Enugu: Fidgina Global Books

Anagbogu, P.; Mbah, B. M. & Eme, C. (2002). Mmetụta usoro nkụzi mgbado ụkwụ n'ọrụ ine nnweta n'ule ụmụakwụkwọ siịo sekọndịrị n'ọmụmụ ederede Igbo n'okpuru ọchịchị Nsụka na Steeti Enugu Naijiria. *Journal linguistics association of Nigeria.* www.jolan.com.ng. *Introduction to computer science and programming in basic*. (3rd ed). Enugu: Magnet Business Enterprise.

Federal Republic of Nigeria (1987). *National policy on education*. Abuja: NERC Press

Greenberg, J. M. (1965). *Adult education in Isreal.* Retrieved from https://www.journals.sage.pub.com.

Ikekonwu, C. I. (1987). Igbo dialect cluster: A classification. Departmental seminar series: Department of linguistics Igbo and other Nigerian languages

Iloene, G.; Iloene, M.; Mbah. B. M.; Mbah, E. E. (2013). The use of new technology for the teaching of the Igbo language. Retrieved from https://www.researchgate.net.

Mkpa, M.A. (1987). *Curriculum development and implementation*. Owerri: Total Pass Publishes.

Ngoesi, M. C. (2004). *Nchịkọta ihe ọmụmụ nke asụsụ Igbo maka sịnịọ sekọndịrị.* Anambra: Optimal Press Ltd.

Nwadike, I.U. (1993). *Nka na usoro nhazi Igbo*. Nsukka: Ifunanya Publisher.

Nworgu, B. C. (1991). *Educational research: Basic issues & methodology*.Ibadan: Wisdom Publisers

Omeje, M. O. &Chineke, S. O. (2015). Availability and the use of instructional materials in the teaching and learning of Igbo language. *Mediterranean journal of social science.* Retrieved form https://www.researchgate.net.

Onyejemezie, D.A. (1981)."Curriculum materials" in Ugo Onwuka (Ed) *Curriculumdevelopment for Africa*. Onitsha: Africa, Feb Publishers.

Pavlov, I. P. (1949). Ivan Pavlov's theory: Structural arning. Chicago: University of Chicago press.

Skinner, B.F. (1957). *Educational psychology* (3rd ed.). Eagle-Wood Cliffs N.J. Prentice Half Inc.

Spair, E. (1921). *Language: An introduction to the study of speech.*New york: Harcourt, Brace & World.

Tella, P.O. (1990). *Becoming a teacher*: Onitsha: Gbemi Sodipo Press..

Ude, F. U. (2018). *Nduzi n'usoro ime nchọcha n'asụsụ Igbo.* Enugu: Computer edge publisher.